## Mmepe


| | | |
|---|---|---|
| UME OKU | | |
| **Igboo Nsogbu Ume Oku n'Ime Obodo Di Nnukwu mkpa**<br>*Fao na otu kansul ume oku nke etiti mba uwa akpoala oku ka enwe umu akuru igwe oku di onu ego di ala* | **nkeji abuo na tinkom iri na ano** | **3** |
| OGBAGHARA | | |
| **Afrika:Buzi Ebe Mkposa Umu Ngwa-ogu**<br>*Ndi oku ngwa agha buzi ndi nnkwu ogaranya n'ihi inye umu nkeji uwa aguu agha na agu ngwa ogu.* | **Otu Nkeji Na Tinkom Asa** | **3** |
| AZUMA-AHIA | | |
| **Ujoo Azuma Ahia Na Etiti Mba Uwa Abuo N'itolu**<br>*Ndi isi ochichi obodo ndi ahu dara mgbenye kwenyere n'usoro aku n'uba nke etiti mba uwa ga esiri ha ike ma butere ha mkpughachi azu.* | **Otu Nkeji Na Iri Tinkom** | **4** |
| AHU IKE | | |
| **Ekpughepula Ihe Nzuzo Oria Iba Ji Agba Isi Akwara**<br>*Ndi otu oru sayensi akowala etu oria iba si agba isi akwara banyere umu ogwu eji agwo ya.* | **Otu Nkeji Na Iri Tinkom Ato Na Otu.** | **4** |
| NDIOM | | |
| **Beijing Tinyere Ise!**<br>*Inyom oru mgbasa akuko zukoro na mba Paris ikpa ububo oga n'ihu.* | **Otu Nkeji Iri Tinkom Abuo N'ise** | **6** |


## Gburu-Gburu


| | | |
|---|---|---|
| MMERU | | |
| **Ikpo Umu Ahihia Ulo Ogwu Oku Bu Nnukwu Nsogbu.**<br>*Ekwuputala umu nsogbu nke metutere igba umu ahiahia ulo ogwu oku.* | **Otu Nkeji Iri Tinkom Ise Na Abuo.** | **5** |
| **Nnkwu Ujoo Di Ebe Nnunu Flamingo Nke Afrika No**<br>*Umu oria di nzuzo ji nwayo nwayo ekpochapu umu nnunu flamingos nke agbata ugwu di na mba Kenya.* | **Otu Nkeji Na Tinkom Ano** | **4** |
| NCHE-KWA | | |
| **Mmiri N'ime Nari Iri Afo Abuo Na-otu (2ist)**<br>Aga enwe oke uko mmiri n'ime afo nari abuo na otu anyi na abanye. | **Iri Tinkom Isii Na Ato** | **5** |
| UMU IHE AGHOM | | |
| **Aghom Di Na Danube**<br>*Oghere nghipu ihe na egbu mmadu egbusiala umu azu na nnunu na Danube.* | **Otu Nkeji Na Iri Tinkom Ano N'ise** | **5** |
| **Njinji Gbara Na Mba Mozambique**<br>*Otutu ndi mmadu enweghi ebe obibi n'ihi oke idie owa mmiri kpara Southeastern Afrika.* | **Nkeji Abuo Na Tinkom Iri Na Asa** | **11** |

# Nnukwu Ihe Di Mkpa


| | | |
|---|---|---|
| **Oria Mmikpo N'ime Afrika** | **Otu Nkeji Iri Tinkom Ise Na Abuo** | **6** |
| **Nkea Kariri Onu Ogugu**<br>*Umu Ihu Oria Mmikpo A N'ime Afrika* | **Nkeji Abuo Na Iri Tinkom Ato N'isii** | **7** |
| **Mgbasa Ya**<br>*Odi Ka Enweghi Ulo Nkwusi Mgbasa Oria N'etiti Nkeji Uwa* | **Otu Nkeji Iri Tinkom Ato Na Asa.** | **7** |
| **Mkpughaghi Onodi Mmepe Azu**<br>***Oria Mmikpo Enweghi Ezi Oghere*** *N'etiti Umu Nkeji Obodo Ndi Ahu Na N'itolu.Etoolite-etoolite* | **Nkeji Ano Na Iri Tinkom Abuo** | **8** |
| **Nkewaputa Ogbe Nkeji Uwa Nke Ndi Na**<br>***Enweghi Nne Na Nna Ndi Oria A Kachasi Jide Bu Umuntakiri*** | **Nkeji Ato Na Tinkom Iri Na Asato** | **8** |
| **Enweghi Ego Ogwu Na Olile Anya**<br>*Afrika Ka No Na Nnukwu Isi Ebe Enwere Ogwugwo Oria Mmikpo* | **Otu Nkeji Iri Tinkom Ano Na Otu.** | **9** |
| **Enwere Nwa Obere Olilee Anya**<br>*Achoputala Ogwugwo Oria Mmikpo A Mba Argentina.* | **Otu Nkeji Na Tinkom Ano** | **9** |
| **Ndi Oku Oru Osisi Nke Mba Ghana Na Enwe Nsogbo** | **Otu Nkeji Iri Tinkom Abuo Na Abuo.** | **11** |
| **Umu Usoro Nche-kwa Mmiri** | **Otu Nkeji Iri Tinkom Ise N'itolu.** | **12** |


## Ngalaba Umuntakiri


| | | |
|---|---|---|
| **Etu Anu Cheetah Siri Nwete Oke Oso** | **Otu Nkeji Iri Ttinkom Ise Na Asato** | **10** |
| **Anu Atu N'ihu Elu Igwe** | **Otu Nkeji Na Tinkom Iri Na Abuo** | **10** |
| **Etu Anu Nguluve Siri Nwe Odu** | **Nkeji Abuo Iri Tinkom Abuo Na Asato** | **10** |


## Umu Ncheta Okwu Ikpe Azu


**Umu Ncheta Okwu Na Gburu-gburu Ha Na Mmepe** **12**

# Akuko

**Achoro Ume Oku N'ime Obodo Nkeji Abuo Na Tinkom Iri Na Ano**

N'umu ume oku nile nke ana emeputara n'etiti mba uwa nile,nani percent asa, ka ndi mmadu nke bi n'ime obodo ndi na etoolite-etoolite na ekeete kwa ubochi taa.Ebe umu ime obodo di iche iche na enweta iri percent ato na ato dika ozi nke otu Kansul ume oku nke etiti mba uwa ha na otu UN FOOD AND AGRICULTURE ORGANISATION (F.A.O) jikoro aka deeputa.

Ozi a meere ka amata, aka mgba ume oku cheeme umu obodo ndia ahu na etoolite etoolite, ebe otutu ndi mmadu nke bi n'etiti ime obodo ndia tukwasiri obi ha n'umu igba nku oku, nsi anu n'umu ihe akuku ubi kporo nku maka iji sie ihe na imu oku. N'etiti ime obodo ndia, ume oku nke ha na amu pere mpe ma kwa ntakiri ebe ume oku eji ebi ndu di.

Ozi a gara n'ihu ikwu ka enwe nkeesa umu ume oku mgbe obula eji ububo na mmejuputa amuma a. Nchekwudo umu ihe ala na inwe ume oku n'etiti ime obodo ga adi na-aga n'ihu. Na ikwalite nke a, aga amalite n'umu oru nta n'uzu enwere enwe.Amuma obula kwesiri ibu ndi inyom na uche dika ndi kachasi eji ume oku eme ihe na ezi n'ulo.

Umu oru nta n'uzu dika, ikuku anwu, igwe oku, na nsi anu bu uzo di iche iche iji wee kwalite onodi ume oku n'etiti ime obodo ma usoro ida mgbenye ileekota ha anya bu ihe nabigara ha inwe umu akuru ngwa ndia.

Ozi a kpokuru isi ochichi inye aka ebe ndi oru ugbo no ikuru umu ngwa agba ohuru oru nta n'uzu a maka inwe kwu ubara onu ego n'ugwo onwa ha. Site na isi na oke onu ahia ha na akuru agba ochie gafee na nke agbaa ohuru di kwa onu ego di ala ga enye aka nweta ume oku achoro.

*FAO*

**Afrika: Buzi Ebe Mkposa Umu Ngwa-ogu Otu Nkeji Na Tinkom Asa**

Onwebeghi obodo obula n'ime Afrika nke tinyere ma o bu nwere ngwa ogu n'ime akwukwo usoro iwu ochichi ya, mana enwere otutu umu ngwa ogu nke ndi mba ndi ozo ji yaka oku juputara n'ime Afrika.Umu agha nwanne na nwanne nghotaghie okwu ndoro-ndoro tinyere ti-gbue zoogbue butere ndi Afrika ibu umu ogbe n'uzo na ezighi-ezi egbe ndia di onu ala.Dika etu otu onye isi oru nke otu United Nations Institute for the Prevention of Crime and Treatment of Offenders (UNAFRI) siri kwue otu egbe AK-47 na ada ihe mbaji abuo na ada n'ufodi ebe. Mbughari umu egbe ndia aghara aghara bu nnkwu nsogbu ugbua na etiti ogbe Great Lakes bu nke achikotara onu ogu nari Puku iri ise na karamoja nke Northeastern Uganda.

Muruli Musaka, bu minista nta banyere nche-kwa obodo Uganda gwara ndi okacha-mara n'onodi nzuko abali abuo nke enwere na Kampala nsonso a, na ahapu umu ihe ndia ka o na aga, tinyere onodi mba Uganda ya na ndi agbata obi ya, na o bu ihe nwuta etu esi ebu umu egbe aghara aghara bu nke iwu eche-kwaghi.

Ekwekoritara n'onodi nzuko a ihiwe Afrika Firearms Center (AFAC) na nleekota anya otu UNAFRI no Kampala.Otu AFAC ga akwado mkpokoo onu na njikota aka isi ochichi nile n'etiti Afrika maka ibu agha mgbochi ahia mgbere umu ngwa ogu n'etiti nkeji uwa ya.

*Newslink Afrika.*

**Ujoo Azuma-ahia Nke Etiti Mba Uwa** **Otu Nkeji Na Iri Tinkom Abuo N'itolu.**

Ndi isi ochichi obodo nile nke na etoolite-etoolite no na nnukwu ujoo mkpughachi azu nke usoro azuma ahia etiti mba uwa na otu izuka gaara aga maka otu nzuko UN n'usoro azuma ahia na mmepe na Bangkok, Thailand N'onodi nzuko nke otu UN ana enwe kwa afo ano ndi isi ochichi obodo ndi na etoolite-etoolite ji ujoo kwue na ha enweghi ike ikoo umu ihe ndi nke ha nwere site n'usoro azuma ahia hiwere isi na oke oru nta n'uzu ha na mmeekorita ahu mba ndi ahu gbasiri ike.

Onye Bime Minista Malaysia Mahathir Mohamad kwuru na obodo ndi ahu na etoolite-etoolite nabatara enyem aka umu oke ulo oru ngo ndi a na ebe ndi obere no, nke a oga bu ha nabatakaria, ga eloo usoro oru ngo nke ha.

Onye nnukwu ode akwukwo nke otu UN bu kofi anan kpokuru obodo ndi nke gbasiri ike inyere ndi agbata obi ha aka . Obodo ndi na etoolite etoolite choro enyem aka n'usoro azuma-ahia ebe obodo ndi bara uba ikwado nwunye oru ngo ma gbasie ndi mmadu ume ikeete oke.

Mkpugbachi azu bu nnukwu ihe nwute bu okwu President Phillipine Joseph Estrada, mana igabiga umu ntarama-ahuhu ndia ka mma karia itu ujoo inogide na mgbene.

*Desertnews.com*

**Nnukwu Ujoo Di Ebe Nnunu Flamingo** **Otu Nkeji Na Tinkom Ano Nke Afrika No**

Oria nzuzo ji nwayo ekpochapu iri puku umu nnunu flamingo na lake bogoria nke agbata ugwu kenya. Otu onye oru nche amara ama, mere ka amata na nkea, sitere na meru nke umu mmadu.ka ihe siri kwuru ogbueala iri puku nnunu ise na odo mmiri a bu nke kachasi nwe nnunu flamingo n'etiti mba uwa.nyocha nke emere na-ahu umu nnunu ndia nwuru anwu gosiri metal itolu ma obu iri na akpukpa ahu umu nnunu ndia. Gideon motelin amara nke oma banyere muta nnunu flamingo na mahadum egerton kenya, kwuru na ozighi ezi ichoputa arsenic, lead mercury,chromium na copper n'ime imeju na akpamamiri umu nnunu ndia.

Ndi otu oru nche-kwa a kwenyere na meru a sitere n' umu oru ugbo nke nokeetere odo mmiri nakuru di iri mile isii South nke bogoria bu ebe eleeghara anya umu nnunu flamingo ndia ka mgbe afo abuo gara -aga.jackson rayini nke otu world wide fund for nature kwenyere na oburu na nkea diri gaawa na aga echefu ihe gbasatara nnunu a.

Obu ezi okwu na oria a selitere isi n'ime afo 1993, ha na 1995 ma ono kari otu onwa. Nke ikpe azu a malitere igbusi umu nnunu ndia n'onwa july 1999.

*Birdsmag.*

**Ekpughpula Ihe Nzuzo Oria Iba Ji Agba Isi Akwara.** **Otu Nkeji Na Iri Tinkom Ato Na Otu.**

Onye oru sayensi nke si mba Australia nwere ike na ochoputala ihe meere oria iba ji agba isi akwara nyere umu ogwu, ma nye kwa olilee anya nchoputa ogwu ohuru nke aga eji na agwo oria a. Oru nyocha nke emere na Melbourne Walter and Eliza hall Institute nke usoro ahu ike na egosi na protein akporo Pgh I so na mgbanwee umu ihe mgbochi ogwu eji egbu iba, site na ichoo ha na anu ahu. Nje iba nke anwunta tanyere na ahu mmadu bu ihe butere onwu umuntakiri kariri nde abuo tinyere ndi okonye kwa afo nkea metutere ndi nile nke si mba Afrika India, South east,Asia n'ufodi Pacific Islands na South Amerika.

Dokita Alan Cowman, onye isi oru nyochaa, kowara na onodu ohuru a choro umu ogwu ohuru. "Oburu na anyi aghota umu usoro nile nje a ji ezee umu ogwu ndia, anyi kwesiri ichighari azu.Anyi nwere ike igbochi uzo oru PghI Protein ka umu ogwu ndi nke dika Chloroquine nwee ike iru oru ozo.

*Nature.*

**Usoro Aka Oru, Oru Nta N'uzu Ohuru Kwusiri Mkpochapu Cheetah Na Mba Southern Afrika.** **Otu Nkeji Na Iri Tinkom Ise Na Otu**

Umu oke unwu nke Anu Cheetah nsonso a na mba Namibia gaara ibu oke ihe efu n'etiti uwa. Umu oke Cheetah ndia foro afo nyere aka mubanyere umu ndia ozo di nnukwu mkpa maka odi mma na oga n'ihu umu anu ndia.

Site n'usoro oru ngo nche-kwa n'onodi omumu nwa nke umu anu butere agburu cheetah jiri ka diri. Umu nchoputa usoro ohuru ikwado mmadu na anu ulo ka eziri umu anu ohia ka ha aghara ikpochapu. Ndi oru Wildlife Breeding Centre (a working group of the Endangened Wildlife Trust) na emmeputa umu ihe oyiyi omumu si na umu anu ndi nwuru anwu site na Gamete Recovery Internation programme.

Na erughi awa iri na abuo cheetah nwuru ka ihe ojiri buru nwoke rutere south Afrika bu ano ruo ya oru, ebe ihe ojiri buru nwoke iri na ise ka etinyere ebe juru oke oyi otu n'ime ha ka agba ndi nke nwanyi otu ugboro. Ugbua edoobela ha na uto oba bu ebe enwere ike iji ya wee muba umu nke nna ya nwuru otutu afo gara aga n' ihi enweghi ike mgbe o di ndu n'ihi onwu ma agburu ya ka no.

*Wildnet Afrika.*

**Ikpo Umu Ahiahiaulo Ogwu Oku Bu Nnkwu Nsogbu** **Otu Nkeji Iri Tinkom Ise Na Abuo.**

Igba umu ahiahia ulo ogwu na nke ogbe ebe mmepere-emmepe oku bu nnukwu nsogbu nke no ugbua n'etiti mba United States na Europe. Umu oke mkpesa nke oha na eze na iwu meghidere meru gburu-gburu obodo enyela aka ka emechie ma kagbue onodi igba umu ahihia oku n'etiti obodo ndi mmepere-emepe. N'ihi nke a, otutu ndi oru igba umu ihe oku nazi eleeba anya n' etiti obodo ndi nke na emmepeghi emmepe na amataghi nsogbu usoro ahu ike oru a bu.

Okwa a putara ihe site n'aka ndi otu akporo Save Earth Nigeria Ekpachapu anya nzubata igwe eji agba umu eji agba umu ihe oru ulo ogwu oku.

Amam okwa a, mere ka amata na otu U.S Enviromental Protecttion Agency choputara n'onodi a kacchasi di njoo n'etiti umu mmadu. Isi ojooa, na ebute oria mkpuru aku na oria metutere umu mmadu, igbasi-ike ha na etoolighi oke oma.

Ozi a gara ndi ulo oru ahu ike nke steeti na etiti tinyere oha na eze ka ha ghara ibubata akuru ngwu agba ochie di na obodo ndi ozo na mgbochi mba afrika ibu ebe ana ekpofu ihe obula nke ajuru aju.

*Save Earth*

**Mmiri N'ime Nari Iri Afo Abuo Na Otu (21st)** **Iri Tinkom Isii Na Ato**

Dika otu etiti mba uwa gbasatara mmiri nari iri afo abuo na otu siri kwue, na achooro iri percent abuo mmiri igba-kwnye na ijeri mmadu ato ga ano ndu n'ime afo iri abuo na ise odi n'ihu

Ozia bu iji wee cheta mmeme mmiri nke etiti uwa nile n'afo 1999 bu nke mbu agbara mbo ichikota uko erimeri na mmiri. Nzuko nke abuo ya na ndi otu minista ga adi n'ime onwa ato gbara mkpuru abali iri na asa wee rue iri abuo na abuo na Netherlands.

*NEFEJ*

**Aghom Di Na Danube** **Otu Nkeji Iri Tinkom Ano Na Ise**

Oghere Puku ton iri nke ihe na egbu mmadu ebola osimmiri Danube nnukwu oke ibu meetutere onu ogu gburu-gburu. ihe a ejiri keewaputa ola edo n'ime aja upa na Baia Mare Romania achara banye na Tisza bu owa mmiri Danube n'iri abali ato nke onwa January. Umu ihe nile nke di ndu na Tisza nwuru anwu. Ndi oku azu kosara umu akwa oji na elu ulo ha na akwa mmiri iji rue uju ihe ha ji ebi ndu.

Ihe a na egbu mmadu ka achoputara di ugboro otu nari nairi ato n'ime mmiri a. O bu ezi okwu na ona azata otu mgbe obanyere mmiri ebe ikikere ya adighi anotee aka. Mana nsia bu umu aku ime ala na adighi egbu anumanu na azu otu mgbe, kama o na ebute oria mkpuru aku n'ahu ojoo nwayo nwayo.

Umu ihe ndia ka ga ano na mmiri danube a rue afo ise etiti mba uwa na ahu maka nche-kwa chi ekere uwa choputara na meru mmiri a metutere owuwa anyanwu na ndidi anyanwu Europe nke ukwu. ufodi dika Tisza ka gburu-gburu ya nwuru pii.

*The Economist*

**Inyom Oru Mgbasa Akuko Zukotara Na Mba Paris Otu Nkeji Iri Tinkom Abuo Na Ise.**

Ndi oru mgbasa akuko n'etiti uwa nile zukotara na mba paris ileeba anya karia umu akuko ifo ma ichikota umu amuma ndia ahu meetutere inyom n' afo Puku abuo, afo ise ka enwe-chara Beijing, enwere onodi nzuko inyom mgbasa akuko a site na mkpuru abali iri na asa na abali iri na asato nke onwa abuo n'afo puku abuo a. Ugonma Ekeanyanwu iji okwa ihe omume nke ulo oru Communicating for change nochitere anya ogbe mpaghara West Afrika na Nkwado TVE UNESCO.

Isi okwu ha bu ituputa umu ihe metutere inyom bu nke aga agbasa na ukwu na mmeme onodi nzuko inyom Beijing gbara afo ise. isi onodi a akporo beijing 15 ga agba na New York malite na abali ise wee rue abali itolu nke onwa isii na Puku afo abuo a.

Dika nwa-ada Ekeanyanwu siri kwue, onodi a mmitara mkpuru oma ebe ndi oru mgbasa akuko tugharitara uche n'umu ihe gbasatara inyom si mphaghara etiti uwa di iche iche wee bia. Umu isi okwu dika n'onodi ochichi, usoro ahu ike mgbenye enyem oru. ogbaghara na mkpezi na muta bu umu isi okwu akpara n'ububo onodi nzuko a.

*C.F.C*

## *Nnukwu Ihe Di Mkpa*

**Oria Mmikpo N'ime Afrika Otu Nkeji Iri Tinkom Ise Na Abuo.**

Dika etu UNAIDS bu nnukwu nchedo otu ise nke U.N siri kwue, otu ulo oru ahu ike nke etiti mba uwa, na nnukwu ulo oba ego nke etiti mba uwa dum, enwere iri nde mmadu ato na ato tinyere uma isii n'etiti uwa nile bu oria mmikpo ebe ihe kariri iri nde mmadu abuo na ato no na Sub-Saharam nke Afrika.

Ihe kariri nde mmadu iri na isii anwuola maka oria mmikpo nde mmadu ato n'uma isii bu umuntakiri no agbata afo iri na ise umu akuko ozo bu inu itie mkpu gunyere ndia-

* N'ime nde mmadu ise na isii bu oria a, n' afo 1999 nde mmadu ato n'uma asato si etiti mba Africa.
* Nde mmadu abuo n'uma isii oria mmikpo a gburu n'ime afo gaara-aga, iri percent asato na ise si Afrika
* N'ime umuntakiri nde iri na ato oria mmikpo mere ha enweghi nne na nna iri nde umu aka a si Sub-Saharan Afrika
* N'ihi nkea enwere obere ndu obibi n'etiti Sub-Saharan Afrika site na agbata afo iri ise na itolu wee rue iri ano na ise n'ime afo 20005 na 2010 ha na Zimbabwe sitere na iri afo isii na otu gbadata iri afo ato na ato.

Na iji wee ma atu ajoo oria ofufe nke gburu iri nde mmadu ato na mba Europe mgbe ochie, ekere anya iri nde mmadu asa na otu inwu na oria mmikpo a n'ime afo 2010. Dika Rene Bonnel nke ulo oba ego etiti uwa siri kwue, onu ogugu ndia nwere onodi siri ike ijide ma obu kweta.

*CNN.com*

**Nke A Kariri Onu Ogugu Nkeji Abuo, Iri Tinkom Ato Na Isii**

Na South Afrika Gugu Dlamini kwetere na ya bu oria mmikpo n'igwe ngwa-lere. Mgbe olobatara ndi ime obodo be ha ji aka tigbue ya. Ka odi afo iri na ano Kevina nwa-ada Uganda ka oria mmikpo gburu nne na nna, umu nne na nna na nke nne nwuru na oria mmikpo. Ugbua o no nleekota anya umunne ya ndi obere ano bu nwoke na ndi nke nwanyi ato tinyere nna nna gbara iri afo asato na ano kpuru isi.

Oria no na egosi ihu ya n'umu obodo ndi ozo dika India na China. Mana ebe okacha chee ihu ugbua bu Afrika ebe mmadu iri n'ime mmadu iri na otu enyochara kwa nkeji bu oria a n'ufodi obodo ndi dibia bekee na ndi nosi ji oso anwu onwu enweghi mgbanwoe. Ebe ogwugwo oria a ezughi oke mgbe ufodi odighi cha-cha.

Na South Afrika, otu onye n'ime iri mmadu bu oria mmikpo N' ime Puku nari asa okwu ohuru enwere, n'ulo ogwu n'etiti obodo a.Umu ihe ndi nke na ebute mgbasa oria a gunyere ubiam, amaghi ihe, enweghi ego izu umu ogwu eji egbochi oria mmikpo ha na adighi akpa ububo ezere mmeko nwoke na nwanyi,ebe ufodi na ekwu okwu igbaghari n'usoro inwe mmeko.

Dokita Robert Shell nke ngalaba oru agum onu isi Mahadum Rhodeo kwuru na igbaghari n'usoro inwe mmeko bu nnukwu okwu. N'ihe ya ga ekwu bu na oria mmikpo sitere na akpachapughi anya n'usoro inwe mmeko, amaghi ihe banyere usoro ahu ike na imu mmadu bu nke hiwere isi na ubiam na amaghi agu na amaghi edee.

N'iji wee ga n'ihu, onye isi ochichi nke mba South Afrika bu mbeki emela ihe itu na anya ebe uwa nile no site na inupu isi na ihe gbasatara ogwu AZT bu otu ogwu nke na anu oru nke oma ebe oria mmikpo no site na ihiwe otu Kansul na-enweghi usoro oru ahu ike gbasatara oria mmikpo nke oma.
*CNN Interactive.*

**Mgbasa Ya Otu Nkeji Iri Tinkom Ato Na Asa.**

Mbughari onodi oru ha na mmepe obodo so kwa n'ihe umu obodo n'ime Sub-Saharan Afrika jiri nwe iri percent ano wee rue iri percent ise ndi bu oria mmikpo. Agha nye-kwara aka na nsogbu a. Dika ndi nile nwere oru na ebujee ha ebe ozo ndi okwo ugbo ala n' umu nwoke ndi ntorobia, ndi agha na eje-kwu kari ndi nke ji ahu nwanyi akpa ego ma o bu akwuna, bu ndi nke ekwenyere na iri percent itolu bu oria mmikpo. Ndi agha Ecomog nke Sierra Leona na ndi agha nke gbochara okwu udo na mba Namibia bu oria mmikpo mgbe ha boghachiri azu.

Umu-ada na ndi inyom ka ana amanye na ike inwe mmeko ha na nwoke tumadu ebe ubara umu nwoke ka n'usoro omenala. N'ufodi ebe umu Nwoke ndi nke bu oria mmikpo kwenyene na oburu na ha inwe mmeko ha na agbogho na amataghi nwoke na oga agwo ha. N'ihi nkea otutu umu agbogho di afo iri na abuo bu oria mmikpo.

Inyom n'ime Afrika ka buru oria mmikpo karia umu nwoke ebe ndi ikom adighi aga oru nyocha ahu ike.Ha na ebufe umu nje oria mmikpo a na amaghi ama. Oru nyocha nke otu UN gosiri na iri percent ato ndi inyom kwenyere na nwoke obula ahu zuru oke ma gbasie ike ebughi oria mmikpo.
*CNN..com*

**Nkpughachi Onodi Mmepe Azu Nkeji Ano Na Iri Tinkom Abuo N'itolu.**

Ihe kariri otu n'ime ano ndi okonye na -aru oru bu nje oria mmikpo, onu ogugu a egosila ajoo onodi mmepe okwu aku n'uba n'etiti nkeji uwa. Ezi n'ulo jizi umu obere ihe ha nwere eleeta ndi oria mmikpo ji aka karia ikwado odi mma umu aka ha mgbe odi n'ihu. Mgbe oria mmikpo kpara chara ego ezi n'ulo ga eji akwado onwe ha, oru ime obodo ga bu nleekota umu aka na enweghi nne na nna na nd okonye, obodo na onwe ya ga enweghi ndi nke na enweghi ezi ozuzu na nka oru.

Nchoputa onu ogugu mmadu na Cote d' Ivoire gosiri na ezi n'ulo nwere onye bu oria mmikpo na ebelata ugwo akwukwo umuntakiri ya okara ebe erimeri bu iri percent ano maka igbachi ego ana emeju were uzo ano. Udi nchoputa a gbara na mba Uganda na Tanzania. Na onu ogua ufodi umu okwu mgbagwoju anya banyere nje oria mmikpo a na Sub-Saharan Afrika bu n'ime afo iri a enwebeghi ihe bu nsogbu n'umu obere oru aku n' uba dika ndukota umu ihe ana enwetawa (GDP)

Nsorita okwu ana enwewa ka mgbe ime afo 1997 bu nke nnukwu ulo oba ego etiti uwa weeputara bu mgbadata onu ogugu agum onu isi nke oria mmikpo butere bu kwa nke na ebudata usoro okwu aku-n'aba n'ihi oria. N'ihi nkea ojuru oyi inwe ma o bu choo ihe ndi nile nke na achu oku a ka oria mmikpo kpochapuru wee doochie ha n'onodi mbo ila na efu. Usoro ogo onu ogu okwu aku n'uba dika nechikota ihe ana enweta anaghi ezu oke maka oria mmikpo di na Afrika ekwesiri ihu oria a dika ihe metutere odi mma umu mma nke ukwu. Obodo etufueala iri afo na iri afo abuo eji ebi ndu, n'ihi nkea na ebughaghi azu umu oku mmadu kwesiri iwaghide. Umu ihe ndi ana enwetawa abaghide usoro itufu ndu itu ndu manu n'igwe mmadu.

Ibu oria a bu n'isi usoro ahu ike ukwu, mbo nile ana gba eji mata olee odi kuru afo n'ala, na South Afrika akwa ndi oria n'ulo enwetere di iri ise, ebe otutu ha bu ndi bu oria mmikpo. N'ihi na osiri ike imata okwu aku n'uba buru ibu bu ihe oria kpara, ndi okacha mara gbadoro ukwu na ihe ha chere. Enwere o.5.percent n'umu ihe ndi ana enwetawa n'ihi ihe oria mmikpo na eme n'eme n'etiti nkeji uwa. Nkea nwere ike odighi akpughachi azu ma elee ya anya, ma elee anya aga ahu mbelata na onu ogugu ubara nke mmadu, bu nke achikota onu puta ihe.

Na iji ma atu obodo ji percent abuo wee na abawanye kwa afo ga enwe nchikota aka oru ihe ana enwewa kwa afo n'isi otu onye bu iri percent asato na otu n'usoro agburu bu nke di iri afo ato. Mana site na oria mmikpo onu ogugu agum onu isi otu n'uma ise percent wee belata na afo n'ihi nke a o buturu ihe ana enwetawa na iri percent abuo na ise n'isi otu onye na otu mgbe ahu.
*CNN. Com*

**Nkewaputa Ogbe Nkeji Uwa Nke Ndi Na Enweghi Nne Na Nna. Nkeji Ato Na Tinkom Iri**

Oria mmikpo n'etiti ime Afrika metutere umuntakiri n'uzo abuo oria a na egbu nne na nna, ma hapu umu aka enwe nne na nna ha na ebute kwa oria mmikpo a.Ugbu a Afrika nwere ogbe ulo obibi di iri percent itolu n'etiti uwa ndi bu oria mmikpo, tumadi umuntakiri bu oria a. Na Sub-Saharan Afrika, nari Puku na iri asa umuntakiri na anwu kwa afo banyere oria mmikpo otutu ha butere n' ahu nne ha. N'ime iri umuntakiri ato amuru bu nje oria mmikpo iri n'ime ha nwetere oria mmikpo site afo nne ha.Ano ndi ozo ga bu site na inuta ya na ara nne ha. Ufodi umu aka adighi ano ndu eme mmeme agbam afo ise ha.

Umuntakiri na enweta-kari nkea site na mmekorita nwoke na nwanyi na etiti umuntorobia umu agbogho ka ebu oria a karia ndi nke nwoke ha na ha bu otu ogbo. Ajoo akuko ifo na nwoke bu oria a nwe mmeko ha na agbogho na amataghi nwoke so kwa eme ka onu ogugu umu agbagho bu oria di ubara. Umu agbogho na ekweta inwe mmeko n'usoro ime mma ma o bu inweta ego okwu ugwo itu muta.

Inwe ndi nke na enweghi nne na nna abughi ihe ohuru na Afrika. Ana anabata ha n'usoro onodi ezi n'ulo dika usoro omenala siri di. Maka oria mmikpo ezi n'ulo gbati-kwuru. Na Zambia ketere percent itolu bu ndi enweghi nne na nna Zimbabwe ketere percent asa, malawi percent isii ebe Uganda ketere percent iri na otu bu nke kachasinu n'ettiti mba uwa.

Ha na ata ahuhu n'uzo abuo: Ha ga kwusi iga ulo akwukwo maka ileeta ndi ahu na adighi ebe ha na gba mbo nleekota umu aka di obere anya. Nkea bu ohere ha inweta ukwara nta, ma obu umu oria afufe dikwa ka oria mmikpo ka ndi okonye. Enwere ike iziga ha ibi ha na nne nne nwere nwa nwa o na eleekota anya site na ezi n'ulo ato ma o bu ano.

Ma anyi ghota na nwa na enweghi nne na nna na ebi ndu ubiam, erighi ezi nri. Ha na awaghide oru di ike dika ire onwe ha n'uzo inwe ego. Ha na etinye aka n'umu ajoo agwa n'etiti ndi ogbo ya. Ka ndi okonye na anwu onwu banyere oria mmikpo umu aka nozi ka ndi nke nne na nna gbanahara ihe enwere otutu umuntorobia ohere ime ihe ojoo, amaghi agu ma o bu amaghi edee na enweghi ohere ime ihe o bula ha na olilee anya
*CNN Interactive.*

**Enweghi Ego Ogwu Na Olilee Anya** **Otu Nkeji Iri Tinkom Ano Na Otu.**

Ogwugwo oria mmikpo n'etiti obodo ndi mmepere emmepe nke afo ojuju ji nwayo ewere onodi mana odighi otu a na Afrika. Na etiti obodo mmepere emmepe na mba uwa, o ga ewee onu ego puku U.S. dolla iri na ise nyere onye nke bu oria a ibi ndu ya kwa afo ma notee aka. N'ime Afrika enwere nde mmadu bu oria a kwa afo n'ihi nkea osiri ike igwo ndia, onye obula nke achoputara nje oria a n'ime Afrika bu onwu otu mgbe.

Mba United State bu onu ogum isi nari nde mmadu abuo iri asa na ano, na emefu ijeri dolla iri maka oru nyocha kwa afo, ma ogwugwo na igbochi oria mmikpo.Onu ogugu agum onu isi nke Afrika nile di nari nde ise iri ano na ato na emefo nani nari nde dolla iri isii na ise kwa afo.

N'etiti obodo nani iri percent ano umu ulo ogwu nwere umu ogwu obughi ihe mgbagwoju anya n'ihi ndi dibia bekee juru inabata ndi oria dika Durban onye oru ime nyocha usoro ahu ike siri kwue ha enweghi ego imefu ebe onye ga anwu anwu no.
*CNN .com*

**Enwere Nwa Obere Olilee Anya** **Otu Nkeji Na Tinkom Na Tinkom Ano**

Otu osisi na Argentina eweputala umu ihe nke na arata umu nje oria mmikpo. Osisi ozo nke enwetere na Afrika nwere umu ero na achu nje oria mmikpo n'onu.

Ndi otu oru nyocha gwara ndi onodi nzuko otu American Association for the Advancement of Sccence, na nchoputa ha gosiri n'umu oke ohia anyi ka bu umu ogwu ohuru ha na n'usoro amuma ha bu ezi atumatu gosiri na obodo ndi a na etoolite-etoolite ka nwere umu chi ekere uwa ga abara ha.
*CNN Interactive.*

# Ngalaba Umuntakiri

**Etu Anu Cheetah Siri Nwete Oke Oso** **Otu Nkeji Iri Tinkom Ise Na Asato.**

Otu mgbe chi kere uwa kpebiri imata umu anumanu nke nwere ike igba oke oso, owee tinye anu cheetah n'oso hsa na Tsessebe, bu anu kacha awu oso karia ele.Cheetah mara nke oma na umu mbo ya dasighi ike maka ezi oso. Owee rioro umu mbo n'aka nkita ohia. Oso a malitere na elu osisi baobab. O bu chi kere uwa na ahu maka oso a, agwara ndi na azo igba oso gafee ugwu di otee-aka.Umu anu sonyere wee gbapu ose. Tisessebe butere uzo na eteghi aka, n'okara oso o bu uzo ma buru na obi mmeri. Otu mgbe ihe aghom gbara Tsessebe kporo ukwu na okwute wee daagharia n' ala: ogba-jiri ukwu.

Ezi cheetah kama oga gbafee ya wee turu ugo mmeri na oso a, okwusiri inyere ogbo ya aka.
Mgbe chi kere uwa huru nkea, obi toro ya utoo ebe cheetah no, N'ihi echeghi maka onwe ya onyere onyinye. Omere ya ka oburu anu kachasi agba oso na elu ala kedu ihe ozo omere ya bu ihapu ya ka onwere umu mbo nkita ohia.
*When the Hippo was Hairy.*

**Anu Atu N'ihu Igwe** **Otu Nkeji Na Tinkom Iri Na Abuo.**
**(Akuko Ifo Mgbe OchieSi N'aka Ndi Ime Obodo)**

Mgbe ihe malitere, dika ndi ime obodo siri kwue, anyanwu amaghi uzo elu igwe. Atu mara etu esi eleeghide ihe anya mgbe nile na atabighi anya, onye kere uwa wee chee na odi mma inye atu oru ileeghide anyanwu anya ka oghara ifu uzo. Atu kporo oru a mkpa. Oru ruru oru a nke oma na anyanwu esighi uzo ozo. Onye kere uwa nwere masi ebe atu no, o wee kwue na ya ga elee ya oru nkwanye ugwu. Omere ka ufodi umu kpa-kpando jikota onwe ha dika atu na elu igwe, inwere ike ihu nke a ubochi taa.

Ndi ime obodo kporo udi onodi a Totowa (Atu) ma weere ya ka oria edu ha mgbe o bula ha choro imee njem mgbe abali. Ndi nke na asu asusu bekee kporo ya Totowa the Southern Cross, ha na eji ya eme onye ndu.
*When the Hippo was Hairy.*

**Etu Anu Nguluve Siri Nwe Odu** **Nkeji Abuo Iri Tinkom Abuo Na Asato**

Na mbu anu a enweghi odu.otu ubochi chi ekere uwa wee kwado otutu odu, wee kpokue umu anumanu ibia ghoro otu. Anu obula so na aghiri na aghiri ma ghoro odu nke kwesiri ya na afo ojuju ma puo. Mgbe oruru enyi ala Ndhlovu iwere, omaghi nke ochoro n'ihi na enwere otutu odu ndi ma, mkpirisi na ndi ogologo. Oleechara ha na otu na otu. Mgbe oge ruru ya ikpe nke ochoro omataghi nke oga edoobe, N'ihi ya otunyere ndi ogologo n'ihu ya ebe ndi obere ka oturu na-azu wee puo buru odu abuo.

Dika chi kere uwa siri mezue odu nyere umu anumanu nile na otu na otu, Ndhlovu abughi nani na owere odu nke ya, ma owee kwara nke onye ozo.Mgbe anu ikpe azu biara bu Nguluge, ezi ohia onweghi odu foro ya. Nguluge mere ihere, obi adighi ya utoo iso ndi otu enyi noro bu ndi no na egosi-ghari umu odu ohuu, ha nwere ma na efegharia aka nri aka ekpe. Omalitere igwupe ala na abooghasi umu okwute jiri imu na egwu ala wee rue ebe ohuru nwa obere mgboro ogwu.Odu nke a di ya mma nke ukwu bu uche ya. Onwere obi utoo na inwe odu di otua, ha na etu nka ya siri nwetere ya odu a. Nguluve feeghariri ya igosi-kwa na nwa obere ohere obula onwere.

Nke a mere ojiri kwunye ya ogologo ikwu otoo, ka oga bu ogbawa oso onye obula ga ahu ya ma nwe mmasi banyere ya.
*Shangani Folktales.*

# Na Nwa Nke-nke

**Ndi Oku Oru Osisi Nke Mba Ghana Na Enwe Nsogbu** — **Otu Nkeji Iri Tinkom Abuo Na Abuo.**

Igbutu umu osisi aghara-aghara n'etiti mba Ghana n'ime otutu afo gara-aga tinyere ndi oku oru nka osisi na nsogbu n'ihi nke a, ka ndi nile ji osiso atu nka jiri jikoo aka izoo uzo ha si eri nri site na iweputa usoro aga eji na egbutu umu osisi ndia odi n'ihu.

Onye isi oche nke otu ndi ji osisi atu nka ha Ghana bu Louis Botchway, kwuru mkpa odi ndi otu ya iku umu osisi ozo maka iji wee nochie ndi nke egbuturu egbutu. isi okwu ha ozo bu ituputa usoro bu igba maka nche-kwa mgbere ahia osisi. Ndi ozo mgbasa ozi okwu aku n'uba osisi site na mkpikpi umu akuru ngwa a.
*The Financial Standard.*

**Njinji Gbara Na Mba Mozambique** — **Nkeji Abuo Na Tinkom Na Asa**

Idu mmiri emebiela ihe buru ibu na Southeastern Afrika. Nari kuru nari mmadu ka ndu ha gwuru, ebe puku kuru puku mmadu ka agu na egbu, aku n'uba nke Mozambiaque no na onwu. Idu mmiri a ebutere otutu ndi mmadu nke Mozambique ilaghachi na ubiam ma na agbali isi n'ime ya puta.

Idu mmiri ndia bughariri puku kuru puku umu ogbunigwe,ma bujee ya ebe eleere anya na enweghi nsogbu. Idu mmiri nke afo a mee kwara ka umu oboara nile bu ebe ana akoo erimeri buru ala apiti.

N'ime onwa ato, ana tu anya igbata oso enyem aka nyere ndi Mozambiaque di nari mmadu abuo iri abuo na abuo, ma oburu na idu mmiri a ataghi tupu amalite iko nri ga amalite n'ime onwa ano nke afo a. isi ochichi nke Mozambiaque na ario aririo enyem aka onu ego di iri nde US dolla isii na ise mana ka odi ugbu a nani nde US dolla iri na ato n'uma ise ka ekwere na nkwa na abali mbu nke onwa ato .

Mbo nile maka ichu idu mmiri a kpuru afo n'ala n'ihi nnogharia nke chi ekere uwa. Idu mmiri a abughi nani ihe itu egwu mana o bu umu oria wee bia. Umu odo mmiri nke idu mmiri a kuru bu umu iku ulo anwuta na oria onyuyu. Agu na ike ogwugwu n'etiti ndi nke di ndu no na elu umu osisi ndi a. Otutu ndi okonye nke ime obodo a idu mmiri kpara bu jne oria mmikpo.
*The Economist*

**Nche-kwa Mmiri N'etiti Amerika** — **Otu Nkeji Iri Tinkom Ano Na Itolu**

Obughi ihe mgbagha na n'ime afo abuo gara-aga n'etiti mpaghara Amerika bu ihe emeru - emeru, ebe mmiri ka oka metute. Ajoo aka oru nche-kwa umu nchedo mmiri buliri oke unwu ala noketere n'isi mmiri, nnukwu mmiri ozuzo nke buru oke ifufe n'ime onwa ato kurunu butere otutu umu oria dika iba na oke iba. Na agbanyegi oke mmiri ozuzo mmri ndia ka inwere nsogbu.

Odi nnukwu mkpa na ano oru na mmiri a maka ndi mmadu iji ya wee gboo mkpa, ebe o bu otu uzo usoro ichu nta aku n'uba ha, nke a abughi oru aga ahapuru nani ndi otu oru neche umu chi-ekere umu kama o bu oru diri ndi isi ochichi obodo, ndi oru nche-kwa gburu-gburu, ndi oru igbu osisi tinyere ndi otu oru ihe omumu gbasatara ndu odi nnukwu mkpa na onye obula tinyere aka maka imezi umu ebe esi enweta aku n'uba.

Na inwe mmiri otutu oge, anyi ga amalite iseepu aka n'ihe banyere emerughi isi mmiri. Aga akwusi umu unwu ala, ogbe nile nke enwere odo mmiri ka okwesiri iku umu osisi ma tinye kwa umu usoro iwu nke ga eche-kwa oru gburu-gburu umu amuma banyere inye onwe anyi muta na mgbasa ozi otu anyi ga esi eche-kwa ma gbochie meru isi mmiri di anyi n'aka.

**Umu Onyinye Maka Iche Mmiri** **Otu Nkeji Iri Tinkom Ise N'itolu**

Mmiri na ndu enweghi nkewa site na aka oru nche-kwa umu ihe ruru uyi, na meru isi mmiri anyi na ebute adighi na otu n'ime ndu mmiri kedu ihe inwere ike ime maka iche-kwa mmiri? Tinye aja upa akpuru na ihe nchedo mmiri ulo mpochi nkea na eche-kwa mmiri, ebe aja upa a enye aka ichedo mmiri olee ichoro maka isachapu mpochi gi. Hu na ikpochiri onu mmiri ebe osi agba nke oma. Okporo mmiri obula na eghi nwere ike imefu ihe kariri iri litre itolu kwa izuka.

Sachasi umu ihe nchedo mmiri ma o bu nke ulo mpochi nke oma. Hu na ihe obula nke ga emru gburu-gburuanoghi n'ihe nchedo mmiri a. N'idoobe ulo mpochi ocha, hu na igbanyere ya mmiri eriri n'oku, ugboro abuo n' ime izuka, ma o bu wunye nnu ma o bu mmiri Vinegar ma kpuchie mgbe abali. jiri umu ihe ndi ahu kweririnu, wee sacha, ebe ino esi nri, ulo isa ahu n'ala nile bu tiles. Enwere ike iji Vinegar inochi bleach ma o bu Clorox. Enwe-kwara ike iji Lemon wee sacha mkpuru igwe ma wee kwara Bilarbonate of Soda wee weepu ihe obula nke tara nchara n'ulo mpochi. N'ife umu ihe na chu oria, weere borax (boric acid) ha na otu gallon mmiri oku. Cheta inwe mmiri zuru oke iji wee sacha umu ihe ncha buru onye na egbo mkpa.
*WWF*

## *Umu Okwu Ncheta Ikpe-azu*

**Ufodi Umu Okwu Gbasatara Nche-kwa Na Gburu-gburu**

"Agburu di ndu ji oso agafe n'usoro n'usoro dika ndi oso ebe aka no na ihe ndu"

Lucretius,
Founder Poet and Philosopher 96-55Bc

" Eweala nnukwu obosara ala ma adala mba ibu ma hapu ya n'ime muo"

Pliny the Elder
Roman writer 23-79 AD

" Ichere na iga ebu uwa ma o bu mezi ya? Echeghim na okwere omume. Uwa di nso Ichoro igbanwe ya imebie ya"

Lao-Izu
Founder of Taoism, 604-531 Bc

"Biko hapuru anyi umu ihe. Agburu anyi choro okpu ulo, ebe anyi agaghi ebi n'umu ihe iru iyi a ihapuru.Ndi nna nna gi ha hapuru uwa n'udo. Biko mee-kwara anyi nke a"

Malanie Boyd
Eleven-Year-old from Barbados

"N'ikpe-azu anyi che-kwara nani ihe masiri anyi ihe anyi ghotara ka anyi kwesiri inwe mmasi. Ihe akuziri ka anyi ghotara"

Baba Dioun
Senegalese Poet

"Onye obula nke che-kwara ihe chukwu kere, che-kwara onwe ya"

Mohammed
Prophet and religious leader, 520-632.